# AKANKA NGƏGƏ AKWA ỌNWỤ NA NSỤKA IGBO NKE SI N'AKA

**BY**

**Ezesinachi Juliet Ngozika**

Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages

University of Nigeria Nsukka

**Ihedigbo Ruth Ebere (Corresponding Author)**

Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages

University of Nigeria Nsukka

**Jacinta Ndidi Okey-Agbo**

Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages

University of Nigeria Nsukka

**DOI** : https://doi.org/**10.5281/zenodo.18333759**

***ỤMỊ***

*Nchọcha a lebara anya n'akanka ngəgə akwa ọnwụ na Nsụka Igbo. Mbunuche ndị nchọcha a kpọm kwem bụ inyocha akanka ngəgə akwa ọnwụ we wepụta nka asụsụ niile dị na ya ma kọwa etu ha si emetuta mmụọ mmadụ. Ọ bụ agụmagụ ọnụ ka e mere nchọcha a. Atụtụ ntụcha njatule a gbadoro ụkwụ na ya we mee nchọcha bụ atụtụ akanka. Ọ bụ site na ngere ntị ajụjụ ọnụ na nhụrụ n'anya ka ndị nchọcha siri nweta njatule e jiri mee nchọcha a. A chọpụtara na ngəgə akwa ọnwụ jụpụtara n'ọtụtụ nkaasụsụ nke gụnyere ajụjụ nzaara onwe, njaike, mbụrụ, myiri, ilu, kwunkwugha, kwunkwukwa, egbe okwu, mgbatị ụdaume na mgbochiume na ihe ndị ọzọ e ji eme ka asụsụ dị mma. Ndị nchọcha chọpụtakwara na ngəgə akwa nwere ọtụtụ ọrụ ọ na-arụ dị ka ime ka ndị mmadụ chemie echiche ime gbasara ọnwụ na onye nwụrụ anwụ, ya na ime ka ndị achọbụghị ibe akwa maka onye nwụrụ anwụ bebe akwa. Nchọcha a ga-akpalite mmụọ ndị Igbo n'ilebanya n'ihe gbasara akwa na ngəgə akwa. Ọ ga-esokwa n'ọrụ nchọcha e nwere na ngalaba agụmagụ ọnụ na omenala Igbo. Ndị nchọcha kpokuru ma onye elu ma onye ala ka ha mata na ngəgə akwa abụghị ajọ ihe kama ka ha mata na o nwere ọrụ na ụrụ dị iche iche ọ baara na ndụ mmadụ.*

***Ọkpụrụkpụ okwu:*** *Akwa, Ngəgə, Ọnwụ, Abụ na akanaka.*

***Abstract***

*This research work examines the stylistic features of elegy as it concerns death in Nsukka area. The main objectives of the study are to analyse elegy from Nsukka area and bring out all the elocutionary in the elegy and explain how the elegy affects the human emotion. The study hinges on oral literature. The data was accumulated from listening, oral interview and observation. The theory used for data analyses is stylistic theory. The study reveals that death elegy is replete with numerous stylistics features such as rhetoric questions, exclamation, metaphor, simile, proverb, parallelism, repetition, vowel lengthening, consonants lengthening and other figurative words. The researchers also observed that Igbo death elegy has some emotional tempestuous that make people around to cry compulsorily. This research will sensitize the Igbo people to look at cry and elegy critically and find out other things therein. It will also contribute to the study of language and literature. The researchers thereby call on all and sundry to understand that elegy is not bad rather it has a lot of functions and benefits in the life of people.*

***Keywords:*** *Cry, elegy, death, song, style and work.*

## 1. Ndụbata

Edemede gbasara abụ na nghọta abụ n'ụwa niile gbaa gburugburu bụ otu ụdị mmiri na-asụ n'ite mba na omenala ọbụla. Ọtụtụ ndị ọkammụta emeela nchọcha gbasara abụ, ndị na ya, akanka, nkamma na akụkụ nchọcha ndị ọzọ dị iche iche mana o nwebeghị onye leruru anya na ngəgə akwa dị ka otu n'ime ụdị abụ ọnụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ n'ihi mperi a ngəgə akwa riri kpalitere mmụọ ndị nchọcha a, ha wee kwekọrịta ka ha nyocha ọrụ na akanka dị na ngəgə akwa, n'ihi na ọ bụ otu n'ime ngalaba abụ ọdịnala.

Abụ dịka Okoye (2007) siri kọwa bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ ọdịnala anyị nwere n'Igbo. Ọ gakwara n'ihu kọwa na ọ bụ site n'abụ ka agbụrụ ọbụla ji akọwa ọtụtụ ihe gbasara ụzọ ndụ ha. Ihe Okoye na-akọwa bụ na a na-esi n'abụ ekwuputa ọtụtụ ihe nke na-atọ ntị na-anụ ha ụtọ ma ọ bụ ọtụtụ ihe nke na-ewe ntị na-anụ ya iwe site n'etu ọgụụ sị agụpụta abụ ndị ahụ. Ofomata (2012) n'aka nke ya kọwara abụ dịka usoro ọdịnala ndị Igbo ji egosiputa etu obi dị ha banyere ụwa ha nọ n'ime ya, ọnọdụ ha n'ụwa, otu ha siri hụ ụwa, ihe na-eme n'ụwa nakwa ije ha n'ụwa. Odee ọ bụla na-akọwa abụ dị ka o si metuta ya. Nke a mere ka a ghara inwe otu nkọwa banyere abụ. Abụ na-esite na mmetuta nke ime mmụọ. Abụ ọbụla nwere isiokwu ọ na-ekwu maka ya nke bụ echiche na-ewepụta mmetuta obi mmadụ. O nwere ike ibụ mmetụta obi nke akpọmasi, añụrị, obi mwute na ida mba, egwu, ihaunanya, nhuju anya, ngaramara. Odee ma ọ bụ ọgụụ abụ anaghị anọkata malite ide ma ọ bụ ịgụ

abụ. Ọ bụ n'ihi nke a ka Ofomata (2012) jiri kwuo na e nwere ọtụtụ abụ n'agụmagụ ọdinaala nke gụnyere abụ nwa, abụ akwa, abụ agha, abụ otito, abụ nkọcha, abụ ikpe, abụ ntọ aja, abụ mkpoku, abụ ọrụ na abụ akwa ariri nke nchọcha a so n'otu n'ime ya.

Ngəgə akwa ọnwụ bụ otu n'ime abụ akwa arịrị nke na-akọwa mmetuta obi mmadụ gbasara ọnwụ. Ọ bụ ngụpụta na-egosipụta ihe mgbu nke obi. Ngəgə akwa ọnwụ na-abụ mgbe ọnwụ gburu ka a na-anụ karị ya. Ọnwụ bụ mgbe ụme si na mmadụ pụọ, onye ahụ wee kwusi iku ume, ahụ ya niile ajụọ oyi ma gbasiekwa ike dị ka okwute. Mgbe nke a mere, ma onye elu ma onye ala ga-ebido bebe akwa. N'ezi ya, ọnwụ bụ ihe dakwasara onye nwụrụ anwụ mana ndị ikwu na ibe ya ka ọ na-agba ose n'anya. Ọ bụ n'ọnọdụ a ka ụdị akwa dị iche iche na-apụta. Ụfọdụ na-eti mkpu, ụfọdụ na-adagbu onwe ha ebe ụfọdụ na-agụ ngəgə akwa. Ngəgə akwa dị ka Ọpata (1998:172) si kwuo, na-enye ndị mmadụ ohere ịkọwa ka onye nwụrụ anwụ siri bie ndụ n'ụwa na ka ihe ndụ bụ n'onwe ya. Ọ bụghị mmadụ niile mara agụ ngəgə akwa, ọ na-abụ ndị okenye na ndị maara onye nwụrụ nke ọma na-agụrụ ya ngəgə akwa. Ngəgə akwa na-agbawa obi onye ọbụla nụrụ ya. Ọ na-awụ akpata oyi n'ihi na onye ngəgə na-eji abụ wee kọwaa nke ọma ihe ọma niile na uru niile onye ahụ nwụrụ anwụ baara n'ụwa. Ọ bụ n'ihi ngəgə ka Chineke bi n'igwe jiri wee kpọte Dorcas nwụrụ anwụ n'akwụkwọ nsọ (Acts 9:39). Ndị ụmụ nwaanyị ajadụ nọ na-ebe akwa na-agụ ngəgə wee na-akọwa aka niile nwada Dorcas nyere ha mgbe ọ dị ndụ. Nke a metutara Chineke nke ukwu o wee mee ka Dorcas dị ndụ ọzọ. Ngəgə akwa dị oke mkpa na-ebe mmadụ nwụrụ, mana o nwebeghi nchọcha ọbụla e merela iji chọpụta akanka na ọrụ dị na ngəgə akwa, ọ bụ nke a kpaliri mmụọ ndị nchọcha a, ka ha tulee ma nyocha ngəgə akwa ọnwụ wee wepụta ọkpụrụkpụ ihe dị na ya.

**Nkọwa Akwa**

Akwa bụ mkpọtụ mmadụ na-eme iji gosi iwe na ọnụma jụrụ ya obi. Ọ bụ mkpụ mmadụ na-eti mgbe ihe nwute metutara ya. E nwere ụzọ dị iche iche e si ebe akwa. Ụfọdụ na-eti mkpu, ụfọdụ na-edesisi anyammiri, ebe ụfọdụ na-agụ ngəgə akwa. Dịka oriakụ Okoye si kọwa; ụdị akwa ọbụla na-esite ka ihe metutara mmadụ si dị. Ụfọdụ na-asụ naanị ude ma ihe mwute mee ha. Ụdị akwa nke a adịchaghị mma n'ihi na ọ na-enye onye na-asụ ya nsogbu n'obi. O nwere ike ibutere ya ọbara mgbali elu na nnukwu obi mgbu. Akwa so n'otu ụdị abụ nke akpọrọ akwa arịrị. N'ịkọwa akwa na mmetuta ọnwụ Ọpata (1998) kwuru na akwa na-enye ndị mmadụ ohere ịkọwa ka onye nwụrụ anwụ si bi n'ụwa na ka ihe ndụ bụ n'onwe ya. Nkọwa nke Ọpata gosiri na akwa na-apụtakarị ihe mgbe mmadụ nwụnahụrụ mmadụ. N'oge dị etu a, a na-enwe usoro ụdị akwa dị iche iche dị ka anyị kọwara n'elu.

**Nkọwa Ngəgə**

Ngəgə so n'otu ụzọ ndị mmadụ si ebe akwa. Ọ bụ ụzọ mmadụ si agụpụtasi ihe niile na-ewute ya. A na-enwekarị ngəgə mgbe a na-ebe akwa na mmadụ nwụrụ. Nke a kpatara e ji akpọ ya ngəgə akwa ọnwụ. N'ịganihu, Lọọlọ

Oreshu Ayọgụ bụ otu onye na ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ kọwara na a na-esi na ngəgə etu onye nwụrụ anwụ aha, site na ka e siri mụọ ya na ndụ o biri n'ụwa. Na nkọwa nke Oreshu, ngəgə na-enye aka ịkọ ogologo akụkọ banyere onye nwụrụ anwụ nke akwa nkịtị enweghị ike ime. Ngəgə akwa na-enye onye nwụrụ anwụ otito dị iche iche. Misisi Ugwuoke (2022) mere ka anyị mata na a na-esite na ngəgə echeta ọtụtụ ndị nwụrụ anwụ n'oge gara aga. Na nkọwa Oriakụ Ugwoke, o kwuru na ngəgə akwa na-abata n'obi onye ihe mere, na ọbụghị onye nọkata ọ gụba ngəgə akwa. Ngəgə na-emetuta ọha na eze nke ukwuu mgbe ọbụla a na-ege onye mara agụ ngəgə akwa. Ọ bụ nke a na-ebute na onye nọ ebe mmadụ nwụrụ ọhụrụ ma ọ chọghi ibe akwa, ọ gebe ngəgə akwa mmadụ, o soro bebe akwa ozugbo. Site na nkọwa ndị a, anyị ga-aghọta na ngəgə akwa bụ usoro akwa kachasị nwee ugwu n'ụdị akwa niile a na-akwa ebe mmadụ nwụrụ. Mgbe ọbụla mmadụ na-agụ ngəgə akwa, ndị nọ gburugburu na-ege ntị n'ihe onye ọgụụ na-akọ maka onye nwụrụ anwụ. Omada Onyishi (2021) (otu onye na ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ) mere ka a ghọta na ngəgə akwa bụ usoro akwa na-esi n'ime mkpụrụ obi apụta. Na nkọwa ya, o kwuru na mmadụ anaghị akwado ngəgə akwa akwado, na ọ na-esite n'ụdị mmetuta onye nwụrụ anwụ metutara mmadụ. Ọmada kọwara na-aga, wee kwuo na o nwere ụdị ọnwụ na-egboro mmadụ, onye bekata akwa. O mekwara ka anyị ghọta na onye ọ bụla nwere ike ịgụ ngəgə akwa, na agbanyeghị ma ọ bụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị, ma ọ bụ okenye ma ọ bụ nwata, ma ọ bụrụ na onye ahụ nwere nka ibe akwa. N'ikwado nkọwa Ọmada Onyishi, Ogbonna Ayọgụ (2021) kwuru na ọtụtụ ụmụnwoke nwere nka ibe akwa mana mgbe ụfọdụ, ndị dị etu a na-agụ ngəgə, ndị mmadụ na-asịkarị ha kwụsị ibe akwa n'ihi na ha abụghị ụmụnwaanyị. Nke a metutara okwu a na-ekwukarị na akwa ụmụnwoke na-abụ na mkpụrụ obi. Na nchịkọta, anyị ga-amata na ngəgə akwa bụ ihe ọkpụ na mba Afrika. Ọ bụ ihe bidoro mgbe ihe nwute bidoro mebe mmadụ. Ya bụ na ọ bụ ọ bịara gboogboo ekpughi ekpo wee soro na-akwalite agụmagụ ọdinaala. Ọ naghị ama mgbe o bidoro gụba nəgə akwa.

**Nkọwa Ọnwụ**

Ọnwụ bụ mgbe ihe niile dị ndụ nọkatara kwusi imegharị ahụ. Ọnwụ mmadụ bụ mgbe onye ahụ mechiri anya, kwusi iku ume ma kwusi imegharị ahụ ma nọrọ ka okwute. Ihe niile dị ndụ dị ka osisi, anụmanụ na mmadụ na-anwụ ọnwụ ma na ọnwụ nke anyị bi n'obi eme nchọcha a bụ ọnwụ mmadụ. Ọnwụ bụ ihe onye ọbụla ma na ọ dị ma marakwa na ihe ọbụla nwere ndụ na-echere ọnwụ mgbe oge ya ruru. Ọnwụ bụ nkwụsị nke ndụ a na-ahụ anya ma bụrụkwa mbido ndụ anaghị ahụ anya.

Mbiti (1990) hụrụ ya otu a, wee kwuo sị na ọnwụ kwụ n'agbata ụwa mmadụ na ụwa mmụọ na agbata ihe a na-ahụ anya na nke anaghị ahụ anya. Bryant (2003) kọwara ọnwụ dịka nkwụsị nke ndụ a hụrụ anya nye ihe ọbụla na-eku ume, ma ọ bụ ọnọdụ ihe nwere ndụ mgbe nke a mesiri. Ọnwụ bụ ihe mmadụ dị iche iche na-aghọta n'ụzọ dị iche iche. Nke a pụtara na ndị mmadụ nwere ike ịghọta ọnwụ dị ka nke ziri ezi na ọnwụ dịka nke ọjọọ. Nke a mere n'ala Igbo, mmadụ nwụọ, ndị nwe onye ahụ ga-agarịrị ịchọ ihe butere ọnwụ onye ahụ. Mana

kaosinadị, ọnwụ bụ ọnwụ, ma ọ bụ ezigbo ọnwụ ma ọ bụ ajọ ọnwụ, onye nwụrụ anwụ anwụọla. Ihe kachasị mkpa bụ ka ndị dị ndụ gwuo ala tinye onye nwụrụ anwụ.

Abel (1998) kọwara na ọnwụ dịka nkewapụ anụ ahụ mmadụ na mkpụrụobi. Anụ ahụ na-ere ụre, ebe mkpụrụ obi na-aga ebe mmadụ agaghi ahụ ya anya. Ọ kọwara na ọnwụ dịka ụgwọ dịịrị onye ọ bụla dị ndụ, n'agbanyeghị etu ọ bụla o si mee. Onye ọbụla dị ndụ ga-anwụrịrị anwụ. Ọnwụ nwere ike isi n'ụzọ dị iche iche bịa gburu mmadụ, dịka mmadụ ị rịa ọrịa, ihe mberede ọ bụla, ọchụ, nkwugbu na ndị ọzọ. Ọzọkwa, ọnwụ nwere ike igbu onye ọbụla na-agbanyeghi onye ọ bụ. Ọnwụ amaghị onye ukwuu nke o ji ama onye nta, ọ maghi oge. Mgbe ọbụla ka ya mma, o were onye ọ chọrọ n'ụzọ ọ bụla o si chọọ na n'ebe ọbụla ọ masịrị ya. N'ikpeazụ, ebe onweghi ihe mmadụ ga-eme ka ogbochie ọnwụ, a ga-ewere ọnwụ otu e siri hụ ya. Onye nwụọ, si buru ya tinye n'ime ili, n'ihi na ọnwụ sitere n'aka eke kere ụwa.

**Nkọwa Abụ**

Abụ so n'otu n'ime ngalaba agụmagụ ọdịnaala anyị nwere n'Igbo. Ọtụtụ ndị odee kọwara abụ dịka ọ si metuta ha. Nke a mere ka e nwee ọtụtụ nkọwa banyere abụ. Abụ na-esite na mmetụta nke ime mmụọ. Ọgụụ ma ọ bụ odee abụ a naghị anọkata malite debe ma ọ bụ gụba abụ. Ọ ga-enweriri ihe kpalitere mmụọ ya ide ma ọ bụ ịgụ abụ. Okoye (2004) kwuru na abụ bụ echiche miri emi mmadụ chepụtara maka ọtụtụ ihe dị iche iche. Ọ kọwara na onye anaghi anọrọ nwayọọ chee echiche enweghị ike idenwu abụ. Abụ ọbụla nwere isiokwu ọ na-ekwu maka ya nke bụ echiche na-ewepụta mmetuta obi mmadụ. Nze na Imo (2010) kọwara na abụ bụ nzimuozi nke si n'obi pụta nke enwere ike dee n'akwụkwọ ma ọ bụ zipụta ya n'ọnụ nke a na-eji okwu ọkpọka ma ọbụ okwu apịrị aka wee depụta ma ọbụ gụpụta. Na nkọwa nke ya, a na-apị okwu abụ aka apị tupu e kwuputa ya. Ọ bụghị nke a na-eji ọtụtụ okwu e gosipụta echiche ọgụụ maọbụ ode. Ugwoke (2021) kwuru na abụ bụ ọrụ nka nke ode ma ọ bụ ọgụụ ji egosipụta echiche ya banyere ihe o ji mere isiokwu nke ọ na-ahazi n'ọgbara n'ọgbara. N'ịganihu, Okoye (2008) kwuru na ọ bụ site n'abụ ka a na-eji ekwupụta ọtụtụ ihe nke na-atọ ntị na-anụ ha ụtọ. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụ naanị onye na-agụ abụ ga-edowe olu ya n'ụdị abụ, ọ gaghị abụ n'ụdị okwu ọnụ nkịtị. Ihe nke a gosiri bụ na anaghị eji ngwa egwu agụ abụ. Abụ nwere ọtụtụ nkenudị nke ụfọdụ n'ime ha bụ abụ ifo, ọbụ ọrụ abụ agha, abụ nwa, abụ nta, abụ ọnwụ, abụ akwa arịrị nke isiokwu nchọcha a bụ ngəgə akwa ọnwụ sonyere na ya.

Na nchọcha a, a hụtara abụ dị ka usoro ebemuakwa nke ndị mmadụ nwụnahụrụ na-ebe.

**Nkọwa Akanka**

Akanka bụ ntucha asụsụ odee ma ọbụ ọgụụ ji depụta ma ọbụ gụpụta agụmagụ ya. Na nkọwa akanka, a ga-akpọpụtarịrị nka na asụsụ. Akanka bụ ọmụmụ gbara ọhụrụ. O bidoro n'afọ ole na ole gara aga mgbe Jean-Jacques Lecerde bipụtara akwụkwọ na-akwado ọmụmụ akanka. Akanka bụ nnyocha a na-enyocha asụsụ

agụmagụ. Ọ na-agba mbọ ịkọwa ụdị nghọta dị iche iche asụsụ agụmagụ nwere na ihe kpatara ndị ọgụụ ji aghọta agụmagụ ọbụla etue ha si a ghọta ya.

Okebalama (1995) kọwara akanka dịka ọmụmụ nka niile dị iche iche n'ụwa dị ka nka ikpe, nka ekpemekpe, nka nkuzi, nka agwọmagwọ, nka agụmagụ wdgz. Na nkọwa Okebalama, ihe niile a na-eme eme n'ụwa nwere nka. Nka e ji eme otu ihe di iche na nka e ji eme ihe ọzọ. A bịa n'ihe gbasara agụmagụ, etu agụmagụ si wee dị iche iche, etu ahụ ka nka e ji agụ ma ọ bụ ede nke ọbụla si wee dị iche iche. Ndị mmadụ nwere nka e ji mara ha. Ọ bụ nke a kpatara e ji ekwu maka nka n'aka ọrụ ma ọbụ n'ụlọ ọrụ dị iche iche. Nka dịka mmasị bụ mmadụ i ji aka ya họrọ site n'ọtụtụ mkpụrụokwu juputara n'asụsụ ọbụla, mkpụrụokwu nke ọ chọrọ iji ede edemede ya. Anyị na-anụ ka ndị mmadụ na-ekwu nka onye a, ma ọbụ nka onye ọzọ. Ihe nke a pụtara bụ na etu onye a si ekwu okwu ma ọ bụ eme ihe diwagara iche n'etu ony nke ọzọ si eme. Leech na Short (1981) kwenyere na e nwere mmekọrịta dị n'etiti nka mmadụ na ụdị ndụ onye ahụ na-ebi, ihe nke a na-egosi bụ n'agwa mmadụ na-egosi nka onye ahụ. N'ebe a, ọ dị mkpa ka anyị ghọta na nka na-agbanwe agbanwe. N'ịkwado nke a, Okebalama (1995) kwuru sị na dịka oge si agbanwe, etu ahụkwa ka nka si agbanwe. Nke mere na e nwere ike ikwu na nka dị ochie ma ọbụ ọhụrụ. Oge ọbụla nwere nka nke ya. Asụsụ na-agbanwe dịka oge sikwa agbanwe. Ihe e ji ama nka oge bụ ihe ndị na-ewu ewu n'oge ahụ. Ọ bụ n'ihi na asụsụ na-agbanwe dị ka oge si agbanwe ka anyị ji nwee bekee agbaa ochie, bekee agba etiti na bekee nke agba ugbu a (old English, middle English and modern English period). Akanka bụ amụmamụ dị oke mkpa n'asụsụ n'ihi na ọ na-enye aka ịchọpụta ma nyocha atụmatụokwu, atụmatụ uche na atụmatụ asụsụ dị n'agụmagụ, iji mee ka ọgụụ ghọta ọkpụrụkpụ ihe zoro ezo n'agụmagụ. Nke a dị mkpa n'ihi na nka odee na-emetuta ọgụụ. Ọ bụ Spitzer chepụtara amụmamụ a na senchuri nke iri abụọ. Ọ bụ ihe ọmụmụ e wepụtara maka ntapịa agụmagụ.

## 2. NTULEGHARỊ AGỤMAGỤ

Kaosinadị, e nwebeghi nchọcha e meerela n'akanka ngəgə akwa ọnwụ kpọm kwem mana enwela ndị mere nchọcha n'isiokwu yitebere ya. Ụfọdụ ndị ahụ ka anyị ga-atule na nke nke.

Atụtụ akanka bụ atụtụ na-amụ ndị iche dị na nka dị iche iche a na-ahụ n'agụmagụ. Ọ na-elebanya na nka edemede na agụmagụ. A na-ahụta nka n'ụzọ dị iche iche. Nke a pụtara n'niile nọ n'ụwa a nwere nka nke ya mana nka nke anyị na-elebanya n'akwụkwọ nchọcha a bụ nka agụmagụ. Atụtụ akanka nyere oghere ileba anya n'etu agụmagụ siri dị, kedu ka e si dee ya ma ọ bụ gụọ ya, kedu okwu nka nọgasị na ya, e nwere atụmatụ okwu na atụmatụ asụsụ na ihe ndị ọzọ? Atụtụ akanka ga-enye aka n'ụzọ pụrụ iche na nchọcha anyị na-eme nke isiokwu ya bụ akanka ngəgə akwa ọnwụ na Nsụka Igbo.

## IHE NDỊ EMERELA YITERE ISIOKWU

Eneh (2004) mere nchọcha banyere abụ akwamaozu n'Abịa dị n'okpuru ọchịchị Udi. Ebumnuche nchọcha ya bụ idetu abụ akwamaozu n'Abịa nke dị n'okpuru ọchịchị Udi n'akwụkwọ, kewaa ha n'ụdị na ụdị, nyocha ha ma wepụta emume ngosi ha, na ịchọpụta ihe kpatara na anaghị agụ egw ọnwụ ebe ọnwụ gburu ugbu a dị ka e si emebu na mbụ.

Agha-onu na Emeka Nwobid (2017) mere nchọcha banyere akanka na ihe ndị mejupụtara Ina-Aja dịka abụ akụkọ ndị Edda-Igbo. Ndị nchọcha jiri igba ajụjụ ọnụ wee nweta njatule ha jiri mee nchọcha ha. Nchọcha gosiri na abụ Ina-Aja bụ nke jụpụtara n'atụmatụ okwu na atụmatụ ụda dịka: ilu, nsinuụda, enyookwu, myiri dgz. Ha chọpụtara na abụ a zipụtara ihe niile banyere akụkọ ala ndị Edda na etu ha si wee biri ebe ha bi taa. Nchọcha a yitere nke a a na-eme ugbu a n'ihi na ha abụọ na-enyocha akanka mana ha abụọ dị iche n'ihi na ebe Agba-ọnụ na Emeka (2017) na-ekwu maka akanka abụ Ina-Aja, nchọcha nke a na-ekwu maka akanka ngəgə akwa ọnwụ.

Ihedigbo (2017) lebara anya na ndịna na akanka abụ ọnụnwa. Ebumnobi ya bụ ịchọpụta ndịna na akanka dị n'abụ ọnụnwa. O jiri atụtụ abụọ were rụọ ọrụ. Ha bụ atụtụ ọrụ na atụtụ ọnọdụ. O nwetara data ya site n'ịgba ajụjụ ọnụ. Nchọpụta ya gosiri na abụ ọnụnwa na-adị n'ụdị ọgụụ na okwee. Ọzọkwa, nchọpụta ya gosikwra na egwu ọnụnwa nwere ndịna dịka ekpere, afọ ime, ọrụ dịrị mmadụ na ndụmọdụ na ihe ndị ọzọ. Ọrụ Ihedigbo (2017) na nke a yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ na-atule nkanka dị n'abụ mana ha abụọ dị iche n'ihi na ebe Ihedigbo (2017) lebara anya n'ọrụ na akanka dị n'abụ ọnụnwa, nchọcha nke a na-elebanya na akanka dị na ngəgə akwa ọnwụ na Nsụka.

Site na ntulegharị agụmagụ anyị mere, anyị chọpụtara na akanka dị oke mkpa n'agụmagụ ọbụla. Anyị chọpụtakwara na ndị ọkammụta emeela nchọcha banyere akanka dị n'abụ dị iche iche nke gosiri na akanka bụ isi sekpu ntị n'agụmagụ niile; mana kaosinadị, onwebeghi nchọcha ọbụla emerela banyere isiokwu a akpụnọnụ ugbu a bụ akanka ngəgə akwa ọnwụ na Nsụka Igbo dịka ndị nchọcha si madebe.

## 3. NTỤCHA NJATULE

Na ngalaba a, anyị ga-edepụta ngəgə akwa ụfọdụ sitere na ndị anyị gere ntị mgbe ha na-agụ ngəgə akwa ma were tepu tepuo ha. Anyị ga-esi na tepu depụta ha ma tụcha ha.

### 1. Ngəgə akwa nke mbụ (Nwaanyị Ọbụkpa)

Elelele lelele ooo

Elewere elelewe ooo

Nwa ibaji ugwu nnaa asha

A gimụ esokodi onyee?

Agụ anara ububu nwa nyaooo

Ububu anigə anatadị agụ nwa ya?

Eleee hmmmm

Ọka ga-abụdụ egəa n'ụlọ be anyị?

O jeko Engu ekukwene m ooo

Na ụkwụ anəgə ekwe m ijeeo

Ma ọnụ ekwere gimu okwu o

Enugu ọda na ọ bụ ọda oroko

Ngəgə akwa ọnwụ nke mbụ a jụpụtara na nka asụsụ dị iche iche nke mere ka o weta ezigbo nghọta na ntị onye na-anụ ya. Ụfọdụ nka asụsụ dị na ya gụnyere: mgbatị ụdaume na mgbochiume, ajụjụ nzaaraonwe.

A na-ahụta mgbatị ụdaume na mgbochiume n'ahịrị nke mbụ, nke abụọ na nke asaa.

Ahịrị nke mbụ - elelele lelele oo

Ahịrị nke abụọ - Elewere elelewe ooo

Ahịrị nke asaa – Eleee hmmmm

N'ahịrị ndịa, anyị ga-ahụ na ụdaume /e/ pụtara ihe ugboro iri na itoolu, ebe mgbochiume /l/ pụtara ihe ugboro iri, e nwekwara ụdaume /o/ pụtara ihe ugboro isii. Mgbatị ndị a mere ka nkamma ngəgə akwa bụrụ ịgba. O mekwara ka ọ na-awụ ndị na-ege ya akpata oyi.

Ọzọkwa e nwekwara ajụjụ nzaaraonwe.

Ahịrị nzaraonwe bụ ahịrị ajụjụ anaghị enwe onye nwere ike ị za ya. Onye jụrụ ajụjụ a, maara n'ọtụtụ oge, onweghị onye nwere ike ị zaa ya ajụjụ ahụ. Nzaaraonwe na ngəgə akwa ọnwụ na-egosi ọnụma na obi mgbawa onye na-agụ ya. Mgbe ọbụla ọ jụrụ ajụjụ ndị a, ndị nọ ebe ahụ na-ebesiwe akwa ike. Ihe ọ pụtara bụ na onye na-ebe akwa a enweghizi onye ntụkwasịobi na onye enyemaka.

Nke a pụtara ihe n'ahịrị nke anọ, nke isii na nke asatọ.

Ahịrị nke anọ: A gịm esokodi onyee?

Nke isii: Ububu anịgə anatadị agụ nwa ya?

Ahịrị asatọ: Ọka ga-abụdu egəa n'ụlọ be anyị?

**NGƏGƏ AKWA ỌNWỤ NKE ABỤỌ (Nwaanyị Ezianị)**

Nwa nnenna ngəgə nne ee

Nwa ohe erigi azịzị

Me ishue ifogo

Ebule ọcha azụgə orie me ishe eke mmanụ

Ọchanaga adama, anụ na-agba ekiri onwe ya

Emere emee

Ọ chọkọ ka ọ daa okwu were ishi kute mmiri

Ọ bụdụ ne ọmagə ne ishi anəgə ekute mmiri?

Ọ chọkọ ka ọ daa okwu ooo

Ga ga n'ogwu, gaga n'ogwu ooo

I naruo kenemerem James Ugwoke

Kenemere m Ekụ nwa edọga aa

Nwa Araji digwoke origwoke

Nwa naanị Atụzụ mụrụ n'eho

Ugwoke Araji mu oo

Ede adịghị ike ma ofu ebari eye nu gee

Ede Ọmada Ugwoke Ogbene

Ọ bụ ndị egbugə ivom ma ọ bụgə

Ma ọsha na-eri mmanwụ

Nwa ngəgə nnee, nwa ngəgə nnee

A gadịm eko onye haa onye ooo?

Nwa Araji digwoke origwoke

Agba dị n'egụ, onye gahete o gburu nu

Na ngəgə akwa nke abụọ a, e nwere mgbatị mgbochiume na ụdaume dị ka e nwere na nke mbụ. Anyị agaghị ekwu maka nke ahụ, nke anyị ga-elebe anya bụ kwunkwukwa na mbụrụ dị na ya.

Kwunkwukwa bụ nkea asụsụ ebe e nwere otu ahịrị okwu e kwuru ugboro abụọ ebe mbụrụ bụ atụmatụ okwu ebe e ji ihe a tụnyere ihe ọzọ site n'isi na ihe bụ ihe a.

**Na ngəgə akwa a, kwunkwukwa pụtara ihe n'ahịrịokwu nke anọ na nke ise**

Nwa ohe erigə azịzị

Nwa ohe erigə azịzị

Kwunkwukwa a na-egosi ikwusi ike. Ọgụụ na-akọwa n'eziokwu na onye ọ na-ekwu maka ya anaghị eri azịzị. Ọ na-ewepụta nkaamma dị n'akwa ọ na-akwa. Mbụrụ dị na ya bụ ebe ọgụụ kwuru na onye ọ na-ekwu maka ya bụ ebule ọcha. Ya bụ na onye ọ na-ebe akwa ya mara oke mma, dị ezigbo ọcha nke na ọ naghị aga ahịa maka na a ga-ete ya mmanụ.

Nke a pụtara na o nwere ike pụta ebe ndị ozọ nọ, emetọ ya. Na ngəgə akwa a, kwụnkwugha pụtara ihe na ya nke ọma; A ga-ahụ nkea n'ahịrị iri

Ga ga n'ogwu, ga ga n'ogwu oo

Nzimozi na ncheta dịkwa na ngəgə akwa nke a. A ga-ahụta ya n'ahịrị nke iri na otu.

I naruo kenemerem James Ugwoke

Kenemerem Ekụ Nwaedoga aa

N’ebe a, ọgụụ chetara ndị ya ndị nwụrụ anwụ n’oge gara aga, were na-ezi onye nwụrụ ọhụrụ na o laruo, ya kelere ya ndị ahụ. Nke a na-egosi oke mgbawa obi na nwute. Ahụtakwara ụdanusoro. Nke a pụtara ihe n’ahịrị nke iri na atọ.

Nwa Areji Digwoke Origwoke

Ilu – Ilu pụtakwara ihe na ngəgə akwa a.

A ga-ahụta nke n’ahịrị nke iri na isii na iri abụọ na anọ

Ede adịgị ike, me ofu ebarị eye nu ge

Agba dị n’egə, onye gahete ogburu nụ

KWUNKWUKWA – Nke a pụtara ihe n’ọtụtụ ebe dị ka –

Ọchọkọ ka o daa okwu

Ọchọkọ ka ọ daa okwu ooo

Agədim eko onye haa onye ooo?

Nkaasụsụ ndị a niile mere ka akanka ngəgə akwa ọnwụ a bụrụ igba.

**Ngəgə akwa ọnwụ nke atọ (Nwaanyị Obimo)**

Elelelelelele ooo

Elelewere elelewee

Nwachukwu Ezema

Nwachukwu Ezema nwa nne moo

Ọka ga-abụ egea nya n’ụlọ be gị?

Nwachukwu Idike ee

Nwachukwu sịrị m jegide ejegide

Nagịda nagịda na iyi erikogəm

Mee iyi erie m

Nwachukwu Ezema, a gən emedi iheezi gi egea?

Ụmụ gə ga-abụdụ ege a nya?

A gịnị emedi ihe dị nwaa egə a nya?

Nwachukwu Imudi, nwa Imudi ọdịcha Ezema

Ogiri inye n’edem

Nwa origəde ọ gụba

Ma o rigə ne ụzọ eyere ọnụ

Na ngəgə akwa ọnwụ nke onye atọ a, anyị agaghị elebanya na nka asụsụ anyị rụtụgoro aka. Ya bụ na ngəgə akwa nke a, jụpụtara na nkaasụsụ dị ka mgbatị ụdaume na mgbochiume-ahịrị nke mbụ na nke abụọ, ajụjụ nzaraonwe, ahịrị nke ise, nke iri, nke iri na otu na nke iri na abụọ. Mana anyị ga-elebaanya na kwunkwugha na ihe ndị ọzọ.

Kwunkwugha pụtara ikwugharị ihe e kwuru na mbụ n’ụzọ ọzọ. O nwere ike ịbụ iji mezuo ahịrị nke mbụ ma ọ bụ iji tinye nghọta n’ahịrị nke na-eso ya. Na ngəgə akwa dị n’elu, e nwere kwunkwugha n’ahịrị nke atọ na nke anọ.

Nwachukwu Ezema

Nwachukwu Ezema nwa nne moo

Nkaasụsụ nke a bụ iji gosi ka onye nwụrụ anwụ siri dị ọgụụ n’obi. Nke a na-awụ ndị na-ege ya akpata oyi. Ọzọkwa, anyị ga-ahụtakwa na e nwere aha otutu n’ebe a. Ọgụụ na-etu onye nwụrụ anwụ aha, wee kọwachaa ka e siri were mụọ onye ahụ, ma ikwu nne ma ikwunna onye ahụ. A ga-ahụta nke a n’ahịrịokwu nke iri na atọ na nke iri na anọ.

Nwachukwu Imuodi, nwa Imuodi Onicha

Ezema inyi n’Edem

Ngəgə akwa nke a gosikwara ka onye nwụrụ anwụ si akpa agwa mgbe ọ dị ndụ. A ga-ahụta nke a n’ahịrị nke iri na ise, na nke iri na isii.

Nwa origide ọgụba

Ma origii na ụzọ eyere ọnụ

N'ebe a, ọgụụ na-akọwara ndị ogee na onye nwụrụ anwụ bụ nwa onye na-eme ọ na-eri nrị, ụzọ ya emechie mana ọ bụrụ na ọ naghị eri nri, ụzọ ya emepe. Nke a pụtara na ndị nna nna onye nwụrụ anwụ na-aghọ nri.

**NGƏGƏ AKWA NKE ANỌ (Nwaanyị Okpuje)**

Elee elee elee ooo

Ugwu Obeta nwanne muoo

Ugwu nwa Osheruo

Nwa ochuiyinagada Ezugwoke

Nwa uhere gburu azịzị me nya manyore

Nwa Ezugwoke Anaju si ọwa n'Igoro

Enyimenyi mu ooo

Idịka okeosisi dara n'ala, ụmụ nnụ eperə ọhia

Nwa kpokpokaidamgbe enyimenyi

Ọka gabụdụ egea n'ụlọ be nna m oo?

Huuummm

I ruo kelemere muọ

Ezenwa Ọgbuanya Ugwu

Eze durum pụta n'ọzara gbayarim

I ga-aharinim tọnụ onye?

Ọnwụ ọnwụ ọnwụ onye iwe

Na ngəgə akwa ọnwụ, nke a, nwechara ihe ndị e enwere na ndị ọzọ anyị tụchara. Mana e nwere nkaasụsụ pụtara ihe na nke a na-adịghị na ndị ọzọ. Ha gụnyere nzimozi, ọnya (ululation), ncheta. Dịka anyị siri kwuo na mbụ,

ọtụtụ nkaasụsụ juputara na ngəgə akwa nke a. Ụfọdụ n'ime ha bụ mgbatị ụdaume na mgbochiume, kwunkwugha, ajụjụ nzaraonwe, ntumuaha, ndịka, ulululeshọn na ndị ọzọ. Ka anyị lee anya na ndị anyị elebeghị mbụ. Anyị hụtara nkaasụsụ ndịka. Nke a pụtara ihe n'ahịrị nke asaa. ndịka bụ atụmatụokwu ebe e ji ihe atunyere ihe site n'ịsị na ihe nke a dịka nke a.

"Ịdịka okeosisi dara n'ala…"

Ọgụụ na-akọwa na onye nwụrụ anwụ bụ dike na-azụ ọtụtụ mmadụ. Mgbe dịke ahụ nwụrụ ndị niile ọ na-azụ agbasasa.

Anyị hụtakwara ọnya (ululation) ebe ọgụụ sụrụ ogologo ude, we mechaa gụrụ ihe ọ na-agụ gaba. Nke a pụtara ihe n'ahịrị nke iri na otu.

"Huuummm"

Anyị hụkwara nzimuozi. A ga-asị na nke a bụ nzimuozi na ncheta. Ọgụụ chetara onye nke ya nwụrụ n'oge gara aga, were na-ezi onye nke nwụrụ ọhụrụ, na o rue, ya kelere ya onye nke nwụrụ n'oge gara aga. A ga-ahụta nke a n'ahịrị nke iri na abụọ.

I ruo kelere m uo

Ezenwa Ọgbanya Ugwu

Ụdị ngəgə a na-eme ka ndị nọ nso besiwe akwa ike. Ọ na-ebute mgbawa obi maka na ihe echefuru echefu ka onye ngəgə na-echetara ndị mmadụ.

Na nke a kwa, anyị hụkwara kwunkwukwa mkpụrụokwu. Nke a pụtara ihe n'ahịrị nke ikpeazụ.

Ọnwụ ọnwụ ọnwụ…

**4. MKPOKOTA NA NCHỌPỤTA**

Na nchọcha a, ndị nchọcha tụchara ma chọpụta na akanka ngəgə akwa ọnwụ na Nsụka Igbo juputara na nkaasụsụ dị iche iche nke gụnyere: mgbatị mgbochiume na ụdaume, ajụjụ nzaraonwe, ọnya (ụlụleshọnụ), kwunkwukwa, kwunkwugha, mbụrụ, ndịka nzimozi/ncheta, mmemmadụ, ilu na ndị ọzọ. A chọpụtakwara na ngəgə akwa ọnwụ n'akụkụ Nsụka dị iche iche bụ otu. Ha nwere otu akanka na nkamma. Ha niile na-enwe ụdị nkaasụsụ, atụmatụokwu na ihe ndị ọzọ.

N'aka nke ọzọ, a chọpụtakwara na ngəgə akwa ọnwụ nwere ọtụtụ uru na ọrụ ọ na-arụ na ndụ mmadụ nke gụnyere:

- Ọ na-eme ka ọgụụ kwapụ iwe na ọnụma n’obi
- A na-esi na ya amata ka onye nwụrụ anwụ siri bie ndụ
- Ọ na-egosi ka e siri mụọ onye ahụ
- A na-esi na ya amata metuta ọgụụ na onye nwụrụ anwụ nwere
- Ọ na-eme ka echeta onye ma ọ bụ ndị nwụrụ anwụ n’oge gara aga
- Ọ na-eme ka ndị mmadụ bịara ebe ahụ achọbughi ibe akwa bee akwa n’ike.

Na nchịkọta, ngəgə akwa ọnwụ bara oke uru na ndụ mmadụ nke na ọ na-eme ka a mara onye nwụrụ na ihe niile gbasara ya, mekwa ka akwanyere onye nwụrụ ugwu ruru ya.

Ndị nchọcha were na-atunye aro na ndị na-etolite etolite, ọkachasi ụmu nwaanyị ga-ewetuo onwe ha ala were na-amụta ngəgə akwa ọnwụ, ka ọghara ịbụ ihe ga-ekpochapụ n’ala Igbo. Maka na ọ na-agbakonye n’omenaala na agụmagụ Igbo.

**Edensiba**


Abel, J. (1998). Death and religion. Cambridge: Cambridge University press.

Bryant, C.D. (ed) (2003). Handbook of death and dying, thousand oaks. CA: SAGE.

Eneh, F.C. (2004). Funeral poetry in Abia in Udi L.G.A. of Enugu State. M.A. thesis.

Ihedigbo, R.E. (2017). Theme and style of Igbo birth songs. Arụmarụ PhD na Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa ndị ọzọ, Mahadum Naijirịa Nsụka.

Mbiti, J.S. (1990). Africa religions and philosophy. London: Heinemann press.

Nze, A.I. na Glamo G. (2010). Nchikọta akwụkwọ maka ule sniọ sekọndiri. Nnewi: Mis-Fav publishers.

Okebalama, C.N. (1995). Mkpolite agụmagụ ọnụ Igbo. Enugu: Snaap press limited.

Ofomata, E.C. (2012). Omenaala na Ọdinaala ndị Igbo. Enugu: Format publishers.

Okoye, O.L. (2004). Ntụziaka maka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ na omenala Igbo. Enugu: Innoge trading company limited.

Ugwoke, U.J. (2021). Eke une dika abụ akụkọ dike ederede Igbo. M.A. Thesis mahadum Naijirịa Nsụka.


**NDỊ AGBARA AJỤJỤ ỌNỤ**

| AHA | JENDA | AFỌ | ỌRỤ | OBODO | ỤBỌCHỊ |
|---|---|---|---|---|---|
| Ovute Enoja | Nwaanyị | 56 | Ọrụ ugbo | Edem | 5-4-21 |
| Ọmada Onyishi | Nwaanyị | 73 | Ọrụ ugbo | Okpuje | 7-4-21 |
| Regina Ugwoke | Nwaanyị | 75 | Ọrụ ugbo | Eziani | 4-5-21 |
| Ogbonna Ayọgụ | Nwoke | 84 | Onyishi | Okpuje | 6-5-21 |
| Ọyimaja Ugwu | Nwaanyị | 86 | Onyishi | Obukpa | 8-6-21 |
| Ugwu Ogbodo | Nwoke | 90 | Onyishi | Obimo | 13-6-21 |